# lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Chineke wee sọpụrụ Ohu ahụ bụ Josef

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: M. Maillot; Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
M. Maillot; Sarah S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Onye-nwe ya mbụ bụ Pọtịfa tụbara Josef n’ụlọ mkpọrọ n’ụzọ na-ezighị ezi. N'ụlọ mkpọrọ, Josef rubeere ya isi ma nyekwara ya aka. Onye nlekọta ụlọ mkpọrọ ahụ tụkwasịrị Josef obi maka ịhazi obibi ndụ n’ụlọ mkpọrọ ahụ. N'ihi na Chineke nọnyeere Josef, ụlọ mkpọrọ ahụ ghọrọ ebe makarịrị mma nye mmadụ niile.





Onye mmebe achịcha na onye na-esi nri eze nọ n'ụlọ nga. Josef wee jụọ ha otu ụbọchị sị, "Gịnị mere unu ji nọrọ na mwute?" "Ọ dịghị onye pụrụ igosi anyị ihe nrọ anyị pụtara," ka ndị ikom ahụ nwere nsogbu zara.



“Chineke pụrụ ime ya!” ka Josef kwuru.  “Gwanu m nrọ ndị ahụ.”





Josef wee sị osi-nri eze, “Nrọ-gị pụtara na n'ụbọchị atọ, i ga-alaghachi n'iru eze Fero. Cheta m, ma rịọ Fero ka ọ tọhapụ m.” Nrọ onye mmebe achịcha dị njọ. Josef wee sị ya, “N'ụbọchị atọ ka ị ga-anwụ.” Nrọ abụọ ahụ mezuru.

Ma onye osi-nri eze chefuru Josef rue mgbe Fero tetara n'ụjọ otù ụbọchị. O tiri mkpu si, “Arọọla m nrọ.” Ọ dịghịkwa onye ọbụla n'ime ndị amamihe ya pụrụ igosi ya ihe ọ pụtara.





Onye osi-nri eze wee cheta Josef n'ulo-mkpọrọ. Ọ wee gwa Fero banyere ya.

Fero zigaara Josef ozi ozugbo.  Josef wee gwa eze, sị, “Nrọ gị bụ ozi nke sitere n’aka Chineke.”  Egypt ga-enwe afọ asaa nke iriju afọ, na afọ asaa nke oke ụnwụ.



Josef wee nye Fero ndụmọdụ si, “Biko, tụọ atụmatụ ugbua ịkwakọba ihe-oriri n'afọ asaa ọma ahụ,” ka agụụ ghara igbu ndị-gị n'oké ụnwụ ahụ.  “Chineke nọnyeere gị,” ka Fero kwuru. “Ị ga-abụ onye-nlekọta n'Ijipt, onye nke na-esote m.”



Afọ asaa nke iriju afọ bịara.  Emesịa, afọ asaa nke ụnwụ bịakwara.  Nri dị ụkọ n'ebe niile ma e wezụga n'Ijipt bụ́ ebe ha ji amamihe kwakọba nnukwu ihe oriri. N’obodo Josef dị anya, agụụ nọ na-agụ ezinụlọ Jekọb.



Ndị si ná mba niile dị iche iche na-aga Ijipt ịzụrụ ọka. “Unu ga-ejekwa,” ka Jekọb nyere ụmụ ya n’iwu, “ma ọ bụghị ya, agụụ ga-agụgbu anyị.” Mgbe ụmụ ya rutere Ijipt, ha jikere ịzụrụ ihe oriri.



Ụmụ-ndikom Jekob wee ruru ala n'iru onye ahụ bụ onye-isi nke Ijipt. Ha amataghị Josef nwanne ha. Ma Josef maara ha. Josef chetara nrọ ya mgbe ọ bụ nwata. Chineke ebuliwo ya elu karịa ụmụnne ya.



Josef nwere amamihe nke ukwuu. O wee kwue okwu ike wee jide nwanne ya bụ Simiọn. “Werenu nri, laa nu, ma laghachikwanu, unu na nwanne unu nke ntà,” ka o nyere ha n’iwu.



“Mgbe ahụ, M ga-amarakwa na unu abụghị ndị-nledo.” Ụmụnna ya ahụ chere na Chineke nwere ike na-ata ha ahụhụ maka nrefu ha refuru Josef dị ka ohu ọtụtụ afọ gara aga.



Jekọb na ụmụ ya ndị ikom nwere mgbagwoju anya. “E weghachiri anyị ego ọka anyị. Onye-isi ahụ wee sị na anyị ga-akpota Benjamin.” Jekọb ekweghị ka Benjamin gaa. Ma n'oge na-adịghị anya, nri ahụ gwụrụ. Ụmụnna ya ahụ aghaghị ịlaghachi Ijipt. Benjamin wee soro ha gaa.



Mgbe Josef hụrụ Benjamin, o nyere ndị na-ejere ya ozi iwu ka ha dozie nnukwu oriri. A kpọkọtara ụmụnna ya. “Nna unu ọ dị ndụ, ahụ dịkwa ya mma?” ka Josef jụrụ ha. Ikekwe, ọ nọ na-eche otú ọ ga-esi chịkọta ezinụlọ ahụ dum ọnụ.



Josef chọkwara ịma ma ụmụnne ya ọ nwere mwute n’ezie maka mmehie ha nke ọtụtụ afọ gara aga.  Mgbe oriri ahụ gasịrị, o boro ha ebubo izu ohi.  Josef kwuru, sị: “Ita unu ahụhụ, m ga-edebe Benjamin ka ọ bụrụ ohu m.”  “Onyenwe m, were



ndụ m n’ọnọdụ ya,” ka Juda rịọrọ.  Josef ma na Juda, bụ onye tụrụ aro ka e ree Josef, agbanweela n’ezie.



N’enweghịzi ike izobe ịhụnanya o nwere n’ebe ezinụlọ ya nọ, Josef zipụrụ ndị Ijipt niile. O wee bido ibe akwa. “Mụ onwem bụ Josef, bụ nwanne unu, onye unu renyeworo n'Ijipt.” N’ịtụ n’anya na n’egwu, ụmụnna ya ahụ ekwughị ihe ọbụla.

Josef gbara ụmụnne ya ume.



“Chineke mere m onye-isi n'Ijipt ka m wee zọpụta ndụ-unu n'oké ụnwụ a.  Jeenu, kuta nna m.  M ga-eletakwa unu anya.”



E mere Jekọb na
Josef bịakọtakwa ọnụ
n'Ijipt, ezi na ụlọ ahụ niile
wee biri n'ebe ahụ n'udo
nakwa n'uju.

Chineke wee sọpụrụ Ohu ahụ bụ Josef

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Jenesis Isi nke iri atọ na itoolu rue nke iri anọ na ise

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.